# NZUKỌ AHỤ MERE KA OBI TỌỌ PỌL ỤTỌ

**Ndi Filipai 1:1-7,27-30; 2:1-30.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 405**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nwekọnu otù uche, unu nile, werenu obi sorita onwe-unu hukọ ahuhu, burunu ndi nāhu umu-nna unu n'anya, ndi nwere obi ọmiko ndi nwere uche di ume-ala" (I Pita 3:8).**

## Onye-ozi Nye Ndị Mba-ọzọ

Pọl onye ozi bụ onye na-ejere ndị Mba-ọzọ ozi. Ya, onwe-ya bụ onye Ju, ma Chineke nyere ya ozi pụrụ iche izisara "aturu ọzọ". Ọkpụkpọ oku nke ozi-ọma bụ nke dịrị onye ọ bụla: onye nke chọrọ pụrụ ịbịa nara miri nke ndụ n'efu. Chineke chọrọ ka madụ nile nọ n'ebe nile nụrụ akụkọ nke ozi-ọma, ka ewe zọpụta ndị chọrọ.

N'otù abalị oge Pọl nọ na njem igbasa ozi-ọma nke ugbo abụa ọ hụrụ ọhụ. "Otù nwoke, bú onye Masedọnia, nēguzo, nāriọ ya, si, Gabita na Masedọnia, yere ayi aka" (Ọlu Ndi-ozi 16:9). Pọl matara na ọ bụ ozi nke si n'ebe Chineke nọ bia, ya na Sailas we malite njem n'otu oge ahụ ijeru isi obodo nke Masedọnia, nke bú Filipai.

Ụzọ ha na ụmụ madụ si enwe mmekọrịta bụ ịbà n'ulo nzukọ nke ndị-Ju n'Ụbọchị Izu-ike we n'akọwara ha na Onye nzọpụta ahụ nke ha na-ele anya ọbịbịa ya abịawo. Onye ahụ bụ Jisọs Kraist. Ọ dịghị ọtụtụ ndị-Ju nọ n'obodo Filipai, ma n'Ụbọchị Izu-ike Pọl na Sailas we hụta igwe ụmụ-nwayị ndị zukọrọ n'akụkụ oké osimiri ikpe ekpere nye Chineke. N'etiti ha ka Lidia nọkwa, bú nwayị ji ego na-achụ ego na-ekpere Chineke. Obi ya ghere oghe ige ntị n'ozi nke Pọl n'ezisa bụ́ ozi-ọma banyere Jisọs. O kwere na Jisọs bụ Ọkpara Chineke, we nabata ozizi nile nke Pọl. Ọ jikekwara ka eme ya baptizim dịka onye Kraist, ọ bụ ezie ọ gaje ịnara mkpagbu.

Mgbe nka gasịrị, ewe tie Pọl na Sailas ihe otiti tụbakwa ha n'ulo mkpọrọ dị na Filipai n'ihi na ha kwusara Jisọs. Ọbara n'agba ha n'azu, ụkwụ ha dịkwa n'ọtọsi, Chineke we zite ala-ọma-jijiji ikwghe ulo mkpọrọ we napụta ha. Site n'ọlụ ebube nka onye nche ulo mkpọrọ na ezi-na-ulo ya nwere nzọpụta. Ụzọ madụ abụa ndịa bụ ndị chegharịrị malitere nzukọ Kraist na Filipai.

## Ncheta Obi Ụtọ

Ọ bụ obi ụtọ di uku ka Pọl onye ozi na eji echeta nzukọ Kraist nke dị na Filipai. Ọ sịrị: "Anamekele Chinekem na ncheta nile m'nēcheta unu" (Ndi Filipai 1:3). Ọ bụ ihe ọñụ izisara ndị ga-anabata ya ozizi nke Kraist. Nani icheta ndịa bụrụ ya ngọzi, ha na-abụkwari ngọzi site n'oge o zutere ha na mbụ.

Pọl na nzukọ nke dị na Filipai nwere mmekọrịta na ntozu okè nke kwesịrị ka ezi onye nke Kraist new. Obi ha nabatara nkwusa nke Pọl, ha na-erube kwa isi nye nzisa, ozi-ọma ahụ, ọbụná n'oge Pọl na-anọghi n'etiti ha.

Akwụkwọ Nsọ na-agwa ayị sị "Nēkwenyenu ndị-isi-unu, nēdokwa-nu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndị ahu nāmu anya n'ihi nkpuru obi-unu, dika ndị gāza ajuju bayere unu; ka ha we were ọñù me nka, ghara isu ude" (Ndi Hibru 13:17). Ayị pụrụ ịbụ ngọzi nye ndị na-ejere ayị ozi, ndị duziworo ayị rue Kraist, ma ọ bụrụ na ayị na-ebi ndụ dịka okwu Chineke si di, na-etinye ọchịchọ ayị nime ọchịchọ nke Chineke. N'ụzọ dị otú a ayị onwe-ayị na-enwekwa obi ụto.

## Mkpagbu

Pọl efewo Jisọs òfùfè ogologo oge, ọ matakwara na ụgwọ ọlụ na-echere ya n'Elu-igwe. Ọ natawo ọtụtụ mkpagbu n'ihi Ozi-Ọma nke Kraist, ma nka emeghi ya ka ọ chọọ ịlaghachi azụ. Ọbuná ugbu a ọ nọ n'ulo mkpọrọ ọzọ ọ kwuru sị "Nāñurinu ọñù n'onwe-ayị mgbe nile". Ọ hụrụ Jisọs n'anya nke uku nke mere na ọ na na-eme ya obi ụtọ ije n'ẹlu-igwe otù mgbe ahụ. Ma ọ masịkwara ya ịnọdụ inyere ndị ọzọ aka ma ọ bụrụ ọchịchọ nke Chineke.

## Mkparita-ụka Ayị

Na ndụmọdụ Pọl nye nzukọ Kraist dị na Filipai, ọ gwara ha ka ha kpachara anya ikwu okwu nke na-enye Jisọs otuto. Ndị nụrụ mkparịta ụka ha kwesịrị isi na nka kwupụta na ha bụ ndị Kristian. Ikwu okwu banyere ihe Chineke na-eme ka obi tọọ ayị ụtọ n'ụzọ nke ndụ a. Chineke n'onwe-Ya na-arịbakwa ụdị ikwu okwu a ama. Na akwụkwọ Malakai ayị na-agụ, "Ndị nātu egwu Jehova nēkwurịta okwu, otù onye na ibe-ya: Jehova we nā ntị, nu, ewe dere ndị nātu egwu Jehova, ndị nēchè kwa èchìchè aha-Ya, akwukwọ ncheta n'iru Ya (Malakai 3:16).

Mkparịta ụka gị ọ bụ nke na-agaghi eme gị ihere ma-ọbụrụ na Jisọs ga añа ntị ya? Ya-onwe-Ya matara ihe nile nke ịna-ekwu na nke I na-emekwa. Okwu nke ekwuworo ekwu apụghị ikwughasi ha, ma-ọbụná asị na ayị ekwue okwu ncheghari maka nka. Ya mere ka ayị kpachapụ anya ikwu okwu kwesịrị ndị Kraist. Ọ bụrụ na obi ayị adị nsọ ayị agaghị na-ekwu okwu na-ezighi ezi. "Ọnu site n'ihe nke obi nwebigara ókè nēkwu okwu" (Matiu 12:34).

**Uche Nke Kraist**

Mgbe ayị bụ ndị nke Kraist ayị na-abụ́ oyiri Kraist, ayị na-emekwa ihe na-atọ Ya ụtọ. Pọl gara n'iru ikwu sị, " Nwenu uche a nime onwe-unu, nke di kwa nime Kraist Jisus" (Ndi Filipai 2:5). Ọ kọwara ihe uche Kraist bụ. Jisọs di uku n'Elu-igwe nke mere na ọ dịghị agụ ya n'ihe ifụli Onwe-Ya elu ikwu na Ya na Chineke ra nrata. Ma ọ dị na njikere iwea Onwe-Ya ala we rapu otuto ya, bịa n'ụwa na ụdị nke orù, we gaa n'iru rue iwere obi-ume-ala nwụa ọnwụ n'aka ndị mmehie ka O we bụrụ ngọzi nye ụmụ madụ. Otú a ka uche Kraist di -- otú a ka O si eche èchìchè

Ọ dịghị onye ọ bụla n'etịtị ayị nke pụrụ iwere onwe-ayị tunyere Chineke. Madụ nile emehiewo, kwesi-kwa ije n'ọkù ala mụọ dịka ahụhụ nye mmehie ndị ahu. Ma ọ bụrụ na Jisọs anwughị n'ihi mmehie ayị ọ dịghị onye ọ bụla nime ayị apụrụ izọpụta. Ọ dịghị ụzọ ọ bụla ayị nwere iji zọpụta onwe-ayị ma ọ bụghi Jisọs. Ihe ọ bụla nke ayị nwere, ohere ọ bụla ijeru Elu-igwe nke ayị nwetaworo ruru ayị aka bụ n'ihi na Jisọs nwụrụ ikwụ ụgwọ mgbapụta ayị. Ma ọ bụrụ na Jisọs onye si n'otuto bịa, wedara onwe-Ya ala inwụ ọbụná ọnwụ nke obe, ọbụná ayị onwe-ayị kwesịrị n'obi dị ume-ala ịnwụ ọnwụ na òfùfè nke Onye-nwe-ayị. Ayị pụrụ ịnọ na njikere ime dịka Jisọs mere?

Oge ụfọdụ ọ na-adị ike ibi ndụ nguzosi-ike dịka onye Kraist ma-ọbụrụ n'ọnwụnwa abịa karịa n'ịnwụ. Ụfọdụ madụ nọ ndị site n'inụ ọkụ na mkpebi, jikere inye onwe-ha inwu ọnwụ n'ihi okwukwe, na-atụfụ ịnụ-ókụ na ịnọgidesi-ike ahụ ha nwere nime Onye-nwe-ayị site n'ọnwụnwa nke na-adakwasị ha site n'ụbọchị rue ụbọchị, ihe ụtọ nke ụwa, ma-ọbụ ọchịchọ nke ákụ. Ọ bụ nanị ndị ahụ na-edebe okwukwe ha rue ọgwụgwụ ga-enweta okpu nke ndụ ahụ.

**Ikpere Nile Ga-egbu N'Ala**

Jisọs kwụrụ ụgwọ mgbapụta ayị; ya mere Chineke weliri Ya elu karịa. Ụsụ nile nke Elu-igwe na-egbu ikpere n'iru Ya. Ụbọchị na-abịa na ndụ madụ ọ bụla mgbe ya onwe-ya ga-asọpụrụ Ọkpara Chineke we gbukwa ikpere nye Ya. Ayị-onwe ayị bụ́ ndị hụrụ Jisọs n'anya n'akpoọ isi ala nye Ya kwa ụbọchị -- ayị na-akpọ kwa isi ala Ya oge nile, nime obi ayị. Ma ndị ahụ jụrụ ịkpọ isi ala nye Jisọs ugbua ka àgà-amanye n'ike ikpọ isi ala nye Ya n'oge ikpe, we kwupụta na Ya-onwe-Ya bụ Kraist ahụ. Onye nke ahụ ha meworo ihe ọchị, onye ha jiworo aha Ya kwue okwu efu, ma-ọbụ ha lefuru Ya anya, onye ahụ ka ha ga-ekwupụta dịka Eze ndi eze nile na Onye-nwenu kachasị ndị-nwenu nile. Ọbụná ndi eze nile na ndị ọkacha-mara dị na ọchịchị obodo ga-akpọ isi ala nye Jisọs. "Ikpere nile" ga-egbu n'ala.

**Inwe Ọñụ Site N'Irube Isi**

"Ọ bụrụ na unu ekwe, we nu, ezi ihe nke ala-unu ka unu gēri ma ọ bụrụ na unu aju, we nupu isi, mma-agha gērichapu unu" (Aisaia 1:19,20). Ndi Filipai na-erita uru nke sitere n'irube isi, ma Pọl chọrọ ka ha nọgide n'inwe uche nke Kraist. Ọbụná ma asị na ayị aghọtaghị iwu ụfọdụ amanyere ayị ka ayị mee, ekwewo ayị nkwa ngọzi ma-ọbụrụ na ayị erube isi. Jisọs sịrị: "Etughm ihe Mu onwem nāchọ, kama ihe Onye ziterem nāchọ" (Jọn 5:30). N'oge ọzọ Jisọs kwukwara sị: "Mu onwem nēme ihe na-atọ Ya ụtọ mgbe nile" (Jọn 8:29). Ayị nwere ike ikwu na ayị na-eme ihe na-atọ Chineke ụtọ mgbe nile? Ayị na-erube isi nye ndị n'achị isi nye ayị? Ọ bụrụ na ayị na-eme otú a ayị nwere oghere inweta ngọzi nile nke Chineke.

**Ìhè N'ụwa Nke a**

Mgbe Jisọs nọ n'elu-ụwa Ọ sịrị, ''Mu onwem bu ìhè nke uwa'' (Jọn 8:12), ma Ọ na-aga n'Elu-igwe o we nye iwu a banyere ije ọzi: ''Unu onwe-unu bu ìhe nke ụwa'' (Matiu 5:14). Ọlụ dịrị ìhè bụ ịdị na-enwu enwu.

***Jisọs sị k'ay' wer'ez'ihe nenwu***
***Dika Oriọna***
***Nēnwu nim'abali;***
***N'ụwa ọchịchị nka***
***Ay'aghagh'inwu,***
***Gi nọ n'akụkụ gi,***
***Mụ nọ na nkem.''***

I na-enwuru Jisọs? Ezi onye nke Kraist na-aputa ìhè n'etiti ndi mmehie dịka ọ́kù na enwupụta n'ọchịchịrị.

**Ị no N'Udo**

Otu ihe ana-eji amata onye Kraist bụ Ọ nọ n'udo mgbe nile. Pọl sịrị: ''unu emela ihe ọ bụla n'uzọ ikpa-iche-iche ma-ọbu n'uzọ ichọ otuto efu'' (Ndị Filipai 2:3). Alụla ọlụ gị n'ulo nzukọ ka madụ we hụ gị, igosi ike-gị na onyinye-ọlụ nke enyere gị. Ịgba ama ayị na nzukọ ga-abụ nọọ inye Chineke otuto, ka ọ ghara ịbụ ime ka ndi ọzọ mara ihe ayị meworo. Abụ̀ ana-abụ̀ kwesịrị iwetara onye n'ege ntị ngọzị, weta kwa amam-ikpe nye onye mmehie, mgbe ahụ a ga-anabata ya n'Elu-igwe wee gọzie onye ahụ nke na-abụ̀ abụ̀. Ndi na-akpọ ụbọ dị iche iche n' òfùfè Chineke kwesịrị ịtụgharị uche ma ụbọ ha na-akpọ ọ na-emetụ mkpụrụ obi ndi na-ege ntị, ka ha ghara idi na atụghari uche ha banyere oche nke ha na-anọdụ ma-ọbu iche uche ma ha na-enweta kwa otuto nke kwesịrị ha. Na-nkọwa, onye nwere obi-ume-ala bụ onye ahụ nke na-adịghị eche banyere onwe ya. Ọ chọrọ ka ndụ ya bụrụ ngọzi nye ndi ọzọ.

**Ndi Jikeere Ịlụ Ọlụ**

Nime ala-ala obi Pọl ọ na-añụrị ọñụ mgbe nile, ma o nwekwara ihe mwuta na ibu arọ ọ na-ebu kwa. ọtù nime ihe mwuta ndịa bụ na ọ dị nanị madụ ole-na-ole bụ́ ndi agụ inye ndụ ha dum iji lụara Onye nwe-ayị ọlụ na-agụ. Ọ sịrị na ha na-ele ihe nke aka ha anya karịa ihe nke Chineke. Pọl dere akwụkwọ a ihe ra ka puku arọ abụa gara aga, ma ọ na-akọwa ihe banyere madụ na mkpa di iche iche di n'etiti ndi Kraist dịka aga-asị na ya-onwe-ya dị ndụ rue n'ụbọchị ta. Madụ ole-na-ole ga aza ọ́kù Chineke n'izu okè wee rapụ ụzọ nke ha si ebi ndụ, rapụ kwa ọchịchọ ha maka ihe nke ndụ a. Ayị na-añuri ọñụ n'ihi na ha dị ọtụtụ nime nzukọ ayị ndị pụrụ ịrapụ ulo ha mara mma ga ịgbasa ozi-ọma n'ama, ndi pụrụ ịnya ụgbọ-ala ga n'ebe dị anya ileta ndi-ọrịa nime ulo-ọgwụ, ma ọbụ ileta ndi nọ n'ulo-mkpọrọ. Ndi ọzọ kwa kwesịrị ntụkwasị-obi n'ụzọ inyere ndi ogbenye aka, ikewa ihe nta ha nwere nye ndi nwere ihe ole-na-ole. Ọtụtụ ugbò ndi ahụ na-enweghị ri-nne na-abụ ndi na-enye pụkari ndi ọzọ ihe. Jisọs hụrụ nka we kwue sị, ''Onye ọ bụla nke gēkuru nāni iko miri oyi nye otù onye nime ndi ntà ndia ñua n'aha onye nēso ụzọm,n'ezie asim unu, ọ gagh-etufu ụgwọ-ọlụ ya ma-ọlị'' (Matiu 10:42). Ọ ka nwekwara ụfọdụ madụ ndi kwesịrị ntụkwasi-obi ndi Pọl na-adabere n'ihe nile. Otu onye nime ha bụ Epafrọdaitọs, onye nyeworo ike ya nile n'òfùfè Chineke ; Pọl na-eziga ya ileta ndi Filipai. Onye ọzọ bụ Timọti. Pọl hụrụ Timọti n'anya dịka nwa ya. Ya onwe-ya na-aga ileta ndi Filipai. Pọl nwere olile-anya na-aga anapụta ya site n'ụlọ mkpọrọ ka ọ we ga bụrụ ha oké ngọzi, n'ihi na o jikere inyechasi onwe-ya ka ọ bụrụ inye aka. Pọl na-atụgharị uche oge ọ ga-ezute ndi nzukọ ahụ dị na Filipai n'Elu-igwe. Ọ ga añuri oñụ n'ihi na ịdọgbụ onwe-ya n'ọlụ abụghị ihe efu. Ha ga-abụ ụfọdụ nime mkpụrụ ndi ọ ga edebe n'ụkwụ Onye-nwe-ayị.

**AJỤJỤ**

1. Òlee ndi bụ ndi Filipai bụ ndi ahụ Pọl degara akwụkwọ a?
2. Òlee oge Pọl zutere ha na mbụ? Òlee ndi bụ ndi mbụ chegharịrị?
3. Gịnị mere obi ji na-atọ Pọl ụtọ mgbe ọ bụla o chetara ndi Filipai?
4. Gịnị ka Pọl kwuru banyere mkparịta ụka ayị?
5. Pọl kwuru sị: ‘‘Nwenu uche a nime onwe-unu nke di kwa nime Kraist Jisus’’. Gịnị bụ uch nke Kraist Jisọs?
6. Òlee otú ayị ga-esi bụrụ ìhè nime ụwa nka?
7. Ọ bụrụ na ụmụ madụ akpọghị isi ala nye Jisọs ugbu a, Òlee oge ha ga-eji kpọ isi ala nye Ya?
8. Òlee ndi bụ ndi nyeere Pọl aka kwesịrị ntụkwasị obi?
9. Gịnị kwesịri ịbụ ihe ayị ga-etinye n’obi n’ije ozi nke Jisọs?
10. Òlee ebe ka Pọl nọ n’ọge ọ dere akwụkwọ ozi nka?